# ỌDỊDỊỤDA OLU OLOKORO

Emmanuel Emenike Mpamugo [1]
University of Agriculture and Environmental Sciences, Umuagwo, Imo State
empamugo4@gmail.com

Levi Chibuzo Ogbu [2]
University of Nigeria, Nsukka, Enugu State
ogbulevichibuzo@gmail.com

**Ụmịedemede**
Asụsụ Igbo nwegasịrị olu ndị dị n'ime ya nke olu Olokoro bụ otu n'ime ha. Nchọcha a lebara anya n'ọdịdịụda olu Olokoro. Amụmamụ ọdịdịụda na-elenye anya na mkpụrụụda na ka e si eji ya arụ ọrụ n'asụsụ ma ọ bụ n'olundị. Ọ bụ nke a kpalitere mmasị nchọcha a igosipụta ọdịdịụda olu Olokoro site n'ịchọpụta mkpụrụụda na usoro mkpụrụụda ndị dị n'olu Olokoro. A chịkọtara njiatụle e jiri mee nchọcha a nke e nwetara site na nsere. Nchọcha a gbasokwara usoro nkọwasị na ntụcha njiatụle. Ndị nchọcha chọpụtara na e nwere mkpụrụụda iri isii na itoolu n'olu Olokoro. N'ime mkpụrụụda iri isii na itoolu a dị n'olu Olokoro, iri isii na otu bụ mgbochiume, ebe asatọ ndị ọzọ bụ ụdaume. Ha chọpụtakwara na mkpụrụụda iri na abụọ na-anọ n'ọnọdụ nnọnabarịị n'ụfọdụ mkpụrụokwu n'olu Olokoro ma gosipụtakwa na olulo, ọ kachasị na mkpụrụokwu nrụaka na-apụta ihe nke ọma n'olu Olokoro. Olu Olokoro dị ka olumba ndị ọzọ nwere nkọwapụta pụrụ iche nke wepugara ya iche site n'olu ndị ọzọ dị n'asụsụ Igbo. Ọ bụ olu Igbo kwesịrị nnyocha maka na usoro mkpụrụụda ya, usoro mmebe okwu ya, usorookwu ya na usoro echiche ya, bụ nke pụrụ iche.

**Ọkpụrụkpụ Okwu:** Ọdịdị ụda, asụsụ, Igbo izugbe, olundị, olu Olokoro

## Mkpọlite

Asụsụ bụ otu akparamagwa mmadụ nke kacha pụta ihe. Asụsụ tọrọ ntọala n'ụda. Anọzie (1999) kọwara asụsụ dị ka ụda sitere n'olu mmadụ nwere nghọta mgbe ọgan okwu dị iche iche megharịrị ahụ n'ụzọ dị iche iche a haziri ahazi. Asụsụ ọbụla na-esite n'olu ndị o nwere amụba. Asụsụ Igbo nwere ọtụtụ olundị maọbụ olumba ndị dị n'ime ya nke e sitere na ha mebee Igbo izugbe. Robins (1992) kọwara na dịka mba na mba na-enwe mmekọrịta na-aga, ka olu asụsụ ha na-agbanwe n'otu ụzọ maọbụ ọzọ nke na-ebute nhiwe olundị maọbụ olumba. Olu Olokoro bụ olu a na-asụ n'Olokoro, nke bụ otu n'ime obodo ise ndị mejupụtara Ụmụahịa. Ọ dị n'okpuru Ọchịchị Obodo Ndịda Ụmụahịa na Steeti Abịa. Obodo ndị gbara Olokoro gburugburu gụnyere Ibeku na mgbagougwu, Ngwa na ndịdaugwu, Oboro n'ọwụwaanyanwụ na Ụbakala n'ọdịdaanyanwụ. Ogbe ndị mebere Olokoro bụ Ụmụtowe, Epe na Azụiyi.


Olu Olokoro, site na nchịkọta na nkọwa nke Ikekeọnwụ (1985), so n'òtù olundị a na-asụ na mpaghara Owere, Ọlụ na Ụmụahịa, nke ọ kpọrọ 'Inland East Igbo'. Sitekwa na nchịkọta nkọwa nke Nwaozuzu (2017), olu Olokoro nọ n'okpuru olundị 'East Central' nke bụ olundị a na-asụ na mpaghara Abịa na Imo. Site na nkọwa ndị a, o kwere nghọta n'olu Olokoro bụ olu Igbo a na-asụ na mpaghara ọwụwaanyanwụ ala Igbo. Nchịkọta Ikekeọnwụ (1985) na Nwaozuzu (2017), e wepụtaghị ọdịdị ụda olu Olokoro otu o kwesiri. Ya ka ndị nchọcha ji mee nchọcha a iji gosipụta otu ọdịdị ụda olu Olokoro dị n'uju.

## Usoro Nkanye Akara Ụda Olu

Nchọcha a gbasoro usoro nkanye akara ụdaolu nke Emenanjọ (1978) na Williamson (1984). N'ịgbaso usoro nkanye akara ụdaolu nke ha:

(a) a kanyeghị akara n'ụdaolu elu ọbụla.
(b) a kanyere akara n'ụdaolu ala niile.
(ch) a kanyere akara n'ụdaolu nsụda niile.

**<u>Eserese 1: Maapụ Ụmụahịa na-egosi Olokoro Ebe a na-asụ Olu Olokoro</u>**




■ Olokoro

<u>**Nsinebe:** Edoh (2015)</u>

**Mkpụrụụda Olu Olokoro**

Mkpụrụụda ndị dị n'olu Olokoro dị iri isii na itoolu. Mkpụrụụda ndị a na-ahụta n'olu Olokoro kere ụzọ abụọ dịka ọ dị n'Igbo izugbe. Ụzọ abụọ ndị a bụ mgbochiume na ụdaume.

**Mgbochiume olu olokoro**

Agbedo (2000) kọwara mgbochiume dịka mkpụrụụda a na-akpọpụta mgbe e nwere mkpachicha maọbụ mkpachitụ ọwa ikuku. N'ịkọwa maọbụ n'inyocha mgbochiume, a na-agbakwasị ụkwụ n'ihe atọ dị mkpa nke bụ: ọnọdụ mkpọ ụda, ebe mkpọpụta, na ọdịdị mkpọpụta.Ọnọdụ mkpọ ụda na-elenye anya n'otu ụdọ mkpọụda siri nọrọ mgbe a na-eme mkpọpụta, ma ọ mara jijiji maọbụ na ọ maghị jijiji. Ọ bụrụ na ọ maa jijiji, mgbochiume a kpọpụtara ga-abụ mgbochiume nnweolu, mana ọ bụrụ na ọ maghị jijiji, mgbochiume a kpọpụtara ga-abụ mgbochiume enweolu. Ndị nchọcha site na mkpịiche, chọpụtara mgbochiume ndị a n'olu Olokoro:

**Ụdaike**

Ụdaike dị n'olu Olokoro dị iri atọ, iri abụọ n'ime ha nwere mkpọso ebe iri ndị ọzọ enweghi mkpọso. Mkpọso maọbụ ihe mmakwasị mgbochiume bụ obere ụda ndị na-adanye n'ụfọdụ mgbochiume mgbe a na-eme mkpọpụta. Emenanjo (2010) kọwara na mkpọso dịka mkpọneebe abụọ dịka na mgbochiume mkpị, mana mgbochi na mmehe ebe mgbochi mkpọ abụọ a ahaghị nhata nha dịka na mkpọneebe abụọ. Ụdaike ndị nke na-enweghi mkpọso gụnyere: /p b t d k g kp gb kw gw/. Ụdaike ndị nke nwere mkpọso gụnyere: /$p^h$ $b^h$ $t^h$ $d^h$ $k^h$ $g^h$ $kw^h$ $gw^h$ $p^w$ $t^w$ $k^w$ $g^w$ $p^j$ $b^j$ $t^j$ $d^j$ $k^j$ $g^j$/.

(i) /p b/: ọgan okwu e ji akpọpụta ha bụ egbugbereọnụ elu na egbugbereọnụ ala. /p/ bụ ụdaike egbugbereọnụ enweolu, ebe /b/ bụ ụdaike egbugbereọnụ nnweolu. Ọmụmaatụ ha na mkpụrụokwu:

/pʊ/ 'go out'

/bʊ/ 'is'

(ii) /t d/: ọgan okwu e ji akpọpụta ha bụ ihu ire na anyụrụ. /t/ bụ ụdaike anyụrụ enweolu, ebe /d/ bụ ụdaike anyụrụ nnweolu. Ọmụmaatụ ha na mkpụrụokwu:

/te/ 'rub'

/de/ 'write'

(iii) /k g/: ọgan okwu e ji akpọpụta ha bụ azụ ire na ọdụ akpo. /k/ bụ ụdaike ọdụ akpo enweolu, ebe /g/ bụ ụdaike ọdụ akpo nnweolu. Ọmụmaatụ ha na mkpụrụokwu:

/kʊ/ 'beat'
/gʊ/ 'you'
(iv) /kp gb/: ọgan okwu e ji akpọpụta ha bụ egbugbereọnụ abụọ na ọdụ akpo. /kp/ bụ ụdaike egbugbereọnụ na ọdụ akpo enweolu, ebe /gb/ bụ ụdaike egbugbereọnụ na ọdụ akpo nnweolu. Ọmụmaatụ ha na mkpụrụokwu:
/kpʊ/ 'mould'
/gbʊ/ 'spit'
(v) /kw gw/: ọgan okwu e ji akpọpụta ha bụ egbugbereọnụ abụọ fụkọrọ afụkọ na ọdụ akpo. /kw/ bụ ụdaike egbugbereọnụ mfụkọ na ọdụ akpo enweolu, ebe /gw/ bụ ụdaike egbugbereọnụ mfụkọ na ọdụ akpo nnweolu. Ọmụmaatụ ha na mkpụrụokwu:
/kwu/ 'speak'
/gwu/ 'dig'

Ụdaike ndị nwere mkpọso kere ụzọ atọ. Ụzọ atọ ndị a bụ:

(i) ụdaike mkpọso mkpọnuume /$p^h$ $b^h$ $t^h$ $d^h$ $k^h$ $g^h$ $kw^h$ $gw^h$/. Mkpọso mkpọnuume bụ ụdị mkpọso a na-enwe ma ọ bụrụ na a na-akpọpụta ụfọdụ mgbochiume, nnukwu ikuku dị arọ e si n'ọnụ na-apụta, nku ume a na-adakpu adakpu. Emenanjo (2010) kọwara mkpọso mkpọnuume dịka mgbochiume ndị ọ bụ a na-akpọpụta ha, uji imi emechie nke mere na ikuku dị ike na-eso ha, na-esi n'ọnụ apụta. Akara ụda e ji egosipụta mkpọso mkpọnuume bụ /$^h$/.

(ii) ụdaike mkpọso mkpọneegbugbereọnụ /$p^w$ $b^w$ $t^w$ $d^w$/. Mkpọso mkpọneegbugbereọnụ bụ ụdị ihe mmakwasị mgbochiume ndị a na-akpọpụta site na mfụkọ egbugbereọnụ. Nwankwegu (2008) kọwara mkpọso mkpọneegbugbereọnụ dịka mmakwasị okirikiri egbugbereọnụ n'ụda mkpọzu, nke ga-eme ka ụda a na-adapụta ka ụda okirikiri egbugbereọnụ nke na-adịbughi n'ụda a na mbụ. Akara ụda e ji egosipụta mkpọso mkpọneegbugbereọnụ bụ /$^w$/.

(iii) ụdaike mkpọso mkpọnaakpo /$p^j$ $b^j$ $t^j$ $d^j$ $k^j$ $g^j$/. Mkpọso mkpọnaakpo bụ ụdị mkpọpụta a na-enwe mgbe ihu ire gbaliri elu metu akpo ike. Nwala (2015) na Ugwuona (2015) kọwara na mkpọso mkpọnaakpo bụ ụdị mkpọso a na-ahụta mgbe ọnụ ire lara elu gaa metu n'akpo ike mgbe a na-akpọpụta mkpụrụụda. Akara ụda e ji egosipụta mkpọso mkpọnaakpo bụ /$^j$/. Ọgan okwu e ji akpọpụta mkpụrụụda ndị a bụ otu ihe na nke e ji akpọpụta /p b t d k gkw gw/, mana ihe dị iche bụ otu ha si adapụta mgbe a na-akpọpụta ha. Mgbe a na-akpọpụta /$p^h$ $b^h$ $t^h$ $d^h$ $k^h$ $g^h$ $kw^h$ $gw^h$/, uji imi na-emechi nke mere na ikuku dị ike na-eso ha na-esi n'ọnụ apụta, nkuume na-adakpukwa adakpu, ya ka e ji akpọ ha ụdaike mkpọso mkpọnuume. Otu aka ahụ kwa, mgbe a na-akpọpụtakwa /$p^w$ $b^w$ $t^w$ $d^w$/, egbugbereọnụ abụọ na-abịakọ n'ụdị okirikiri, a na-enwekwa ndọli elu egbugbereọnụ site n'egbugbereọnụ ala gaa na nke elu, ya ka e ji akpọ ha ụdaike mkpọso mkpọneegbugbereọnụ. A bịakwa na mkpọpụta ụdaike /$p^j$ $b^j$ $t^j$ $d^j$ $k^j$ $g^j$/, akụkụ ire na-agbali elu gaa metu n'akpo ike nke na a ga-anụ ụda na-ada ~yịịị~ mgbe a na-eme mkpọpụta. Ya ka e ji akpọ ha ụdaike mkpọso mkpọnakpo. Ya bụ n'ịkọwa ha n'otu n'otu, a ga-akọwa dịka:
(vi) /$p^h$/ bụ ụdaike egbugbereọnụ mkpọso mkpọnuume enweolu, ebe /$b^h$/ bụ ụdaike egbugbereọnụ mkpọso mkpọnuume nnweolu. Ọmụmaatụ ha na mkpụrụokwu:

/$p^h$ʊ/ 'drag'
/$b^h$ʊ/ 'curse'
(vii) /$t^h$/ bụ ụdaike anyụrụ mkpọso mkpọnuume enweolu, ebe /$d^h$/ bụ ụdaike anyụrụ mkpọso mkpọnuume nnweolu. Ọmụmaatụ ha na mkpụrụokwu:
/$t^h$ʊ/ 'send on an errand to the market'
/$d^h$ʊ/ 'sew'
(viii) /$k^h$/ bụ ụdaike ọdụ akpo mkpọso mkpọnuume enweolu, ebe /$g^h$/ bụ ụdaike ọdụ akpo mkpọso mkpọnuume nnweolu. Ọmụmaatụ ha na mkpụrụokwu:
/$k^h$ʊ/ 'plant'
/$g^h$ʊ/ 'drain'
(ix) /$kw^h$/ bụ ụdaike ọdụ akpo na mfụkọ egbugbereọnụ mkpọso mkpọnuume enweolu,
ebe /$gw^h$/ bụ ụdaike ọdụ akpo na mfụkọ egbugbereọnụ mkpọso mkpọnuume nnweolu. Ọmụmaatụ ha na mkpụrụokwu:

/kw$^{h}$u/ ‘cover’
/gw$^{h}$u/ ‘wrap’
(x) /p$^{w}$/ bụ ụdaike egbugbereọnụ mkpọso mkpọneegbugbereọnụ enweolu, ebe /b$^{w}$/ bụ ụdaike egbugbereọnụ mkpọso mkpọneegbugbereọnụ nnweolu. Ọmụmaatụ ha na mkpụrụokwu:
/p$^{w}$ɔ/ ‘go out’
/b$^{w}$ɔ/ ‘sing’
(xi) /t$^{w}$/ bụ ụdaike anyụrụ mkpọso mkpọneegbugbereọnụ enweolu, ebe /d$^{w}$/ bụ ụdaike anyụrụ mkpọso mkpọneegbugbereọnụ nnweolu. Ọmụmaatụ ha na mkpụrụokwu:
/t$^{w}$o/ ‘search’
/d$^{w}$o/ ‘lead’
(xii) /p$^{j}$/ bụ ụdaike egbugbereọnụ mkpọso mkpọnaakpo enweolu, ebe /b$^{j}$/ bụ ụdaike egbugbereọnụ mkpọso mkpọnaakpo nnweolu. Ọmụmaatụ ha na mkpụrụokwu:
/p$^{j}$a/ ‘fold’
/b$^{j}$a/ ‘come’
(xiii) /t$^{j}$/ bụ ụdaike anyụrụ mkpọso mkpọnaakpo enweolu, ebe /d$^{j}$/ bụ ụdaike anyụrụ mkpọso mkpọnaakpo nnweolu. Ọmụmaatụ ha na mkpụrụokwu:
/t$^{j}$i/ ‘put’
/d$^{j}$i/ ‘send’
(xiv) /k$^{j}$/ bụ ụdaike ọdụ akpo mkpọso mkpọnaakpo enweolu, ebe /g$^{j}$/ bụ ụdaike ọdụ akpo mkpọso mkpọnaakpo nnweolu. Ọmụmaatụ ha na mkpụrụokwu:
/k$^{j}$ɪ/ ‘drive a nail’
/g$^{j}$ɪ/ ‘put (meat)’

**Mkpọnimi/ụdaimi**
Mkpọnimi dị ise n’olu Olokoro. Ha bụ: /m/, /n/, /ɲ/, /ŋ/, /ŋw/. Mkpọnimi niile bụ nnweolu.
(i) /m/: ọgan okwu e ji akpọpụta mkpụrụụda a bụ egbugbereọnụ elu na egbugbereọnụ ala. /m/ bụ ụda imi egbugbereọnụ.
(ii) /n/: ọgan okwu e ji akpọpụta mkpụrụụda a bụ akụkụ ire na anyụrụ. /n/ bụ ụdaimi anyụrụ.
(iii) /ɲ/: ọgan okwu e ji akpọpụta mkpụrụụda a bụ etiti ire na akpo ike. /ɲ/ bụ ụdaimi akpo ike.
(iv) /ŋ/: ọgan okwu e ji akpọpụta mkpụrụụda a bụ azụ ire na ọdụ akpo. /ŋ/ bụ ụdaimi ọdụ akpo.
(v) /ŋw/: ọgan okwu e ji akpọpụta mkpụrụụda a bụ azụ ire na ọdụ akpo tinyere mfụkọ egbugbereọnụ. /ŋw/ bụ ụda imi mfụkọ egbugbereọnụ na ọdụ akpo.
Ọmụmaatụ ha na mkpụrụokwu:
/mʊ/ ‘give birth’
/nʊ/ ‘hear’
/ɲʊ/ ‘massage’
/ŋʊ/ ‘drink’
/ŋwʊ/ ‘carry up’

**Ụdashịị**
Ụdashịị dị n’olu Olokoro dị iri na asatọ. Iri n’ime ha nwere mkpọso, ebe asatọ ndị ọzọ enweghi mkpọso. Ụdashịị ndị nke na-enweghi mkpọso gụnyere: /f v s z ʃ ʒ ɣ ɦ/. Ụdashịị ndị nke nwere mkpọso gụnyere: /f~ v~ s~ z~ ʃ~ ʒ~ ɦ~ ʃ$^{j}$ ʒ$^{j}$ ɦ$^{j}$/. Nkọwa ha bụ:

(i) /f v/: ọgan okwu e ji akpọpụta mkpụrụụda ndị a bụ egbugbereọnụ ala na eze elu. /f/ bụ ụdashịị egbugbereọnụ na eze enweolu, ebe /v/ bụ ụdashịị egbugbereọnụ na eze nnweolu. Ọmụmaatụ ha na mkpụrụokwu:
/fʊ/ ‘blow’
/vʊ/ ‘uproot’
(ii) /s z/: ọgan okwu e ji akpọpụta mkpụrụụda ndị a bụ ihu ire na anyụrụ. /s/ bụ ụdashịị anyụrụ enweolu, ebe /z/ bụ ụdashịị anyụrụ nnweolu. Ọmụmaatụ ha na mkpụrụokwu:
/sè/ ‘draw’
/zè/ ‘dodge’
(iii) /ʃ ʒ/: ọgan okwu e ji akpọpụta mkpụrụụda ndị a bụ akụkụ ire na ngafe anyụrụ. /ʃ/ bụ ụdashịị ngafe anyụrụ enweolu, ebe /ʒ/ bụ ụdashịị ngafe anyụrụ nnweolu. Ọmụmaatụ ha na mkpụrụokwu:

/ʃi/ 'cook'
/ʒi/ 'send'
(iv) /ɣ/: ọgan okwu e ji akpọpụta mkpụrụụda a bụ azụ ire na ọdụ akpo. /ɣ/ bụ ụdashịị ọdụ akpo nnweolu. Ọmụmaatụ ya na mkpụrụokwu:
/ɣʊ/ 'bath'
/ɣa/ 'spread'
(v) /ɦ/: ọgan okwu e ji akpọpụta mkpụrụụda a bụ eko akpịrị. /ɦ/ bụ ụdashịị eko akpịrị enweolu. Ọmụmaatụ ya na mkpụrụokwu:
/ɦʊ/ 'shake'
/ɦa/ 'leave'

Ụdashịị ndị nwere mkpọso kere ụzọ abụọ. Ụzọ abụọ ndị a bụ: ụdashịị mkpọso mkpọnimi /f~ v~ s~ z~ ʃ~ ʒ~ ɦ~/. Mkpọso mkpọnimi bụ ụdị mkpọpụta a na-enwe mgbe ikuku nkumume si ma n'imi ma n'ọnụ na-apụ n'enweghi ihe mgbochi ọbụla.Mbah na Mbah (2010) kọwara mkpọso mkpọnimi dịka mmakwasị na-adị na mwedata ọdụ akpo n'ebe mkpọpụta. Ha gakwara n'ihu ịkọwa na mwedata ọdụ akpo a na-eme ka ikuku si ma n'ọwa imi ma n'ọwa ọnụ na-apụ. Akara ụda e ji egosipụta mkpọso mkpọnimi bụ /~/. Nke ọzọ bụ ụdashịị mkpọso mkpnaakpo /ʃʲ ʒʲ ɦʲ/. Ọgan okwu e ji akpọpụta mkpụrụụda ndị a bụ otu ihe na nke e ji akpọpụta /f v s z ʃ ʒ ɦ/, bụ ndị nke na-enweghi mkpọso, mana ihe dị iche bụ otu ha si adapụta mgbe a na-akpọpụta ha. Mgbe a na-akpọpụta /f~ v~ s~ z~ ʃ~ ʒ~ ɦ~/, ikuku nkuume na-esi ma n'imi ma n'ọnụ na-apụ n'enweghi ihe mgbochi ọbụla nke na mkpụrụụda ndị a ga na-ada n'imi n'imi, ya ka e ji akpọ ha mkpọso mkpọnimi. Otu aka ahụ kwa, mgbe a na-akpọpụta /ʃʲ ʒʲ ɦʲ/, akụkụ ire na-agbali elu gaa metu n'akpo ike nke na ụda ~yịị~ ga na-adapụta, ya ka e ji akpọ ha mkpọso mkpọnaakpo. Ya bụ n'ịkọwa ha n'otu n'otu, a ga-akọwa ha dịka:
(vi) /f~/ bụ ụdashịị egbugbereọnụ na eze mkpọso mkpọnimi enweolu, ebe /v~/ bụ ụdashịị egbugbereọnụ na eze mkpọso mkpọnimi nnweolu. Ọmụmaatụ ha na mkpụrụokwu:
/f~ʊ/ 'see'
/v~ʊ/ 'pick'
(vii) /s~/ bụ ụdashịị anyụrụ mkpọso mkpọnimi enweolu, ebe /z~/ bụ ụdashịị anyụrụ mkpọso mkpọnimi nnweolu. Ọmụmaatụ ha na mkpụrụokwu:
/s~ʊ/ 'cut (grass)'
/z~ʊ/ 'train'
(viii) /ʃ~/ bụ ụdashịị ngafe anyụrụ mkpọso mkpọnimi enweolu, ebe /ʒ~/ bụ ụdashịị ngafe anyụrụ mkpọso mkpọnimi nnweolu. Ọmụmaatụ ha na mkpụrụokwu:
/ʃ~ɪ/ 'faeces'
/ʒ~ɪ/ 'show'
(ix) /ɦ~/ bụ ụdashịị eko akpịrị mkpọso mkpọnimi enweolu. Ọmụmaatụ ya na mkpụrụokwu:
/ɦ~ɪ/ 'parsimony'
/ɦ~ʊ/ 'roast'
(x) /ʃʲ/ bụ ụdashịị ngafe anyụrụ mkpọso mkpọnaakpo enweolu, ebe /ʒʲ/ bụ ụdashịị ngafe anyụrụ mkpọso mkpọnaakpo nnweolu. Ọmụmaatụ ha na mkpụrụokwu:
/ʃʲe/ 'cook'
/ʒʲe/ 'send'
(xi) /ɦʲ/ bụ ụdashịị eko akpịrị mkpọso mkpọnaakpo nnweolu. Ọmụmaatụ ya na mkpụrụokwu:
/ɦʲe/ 'make a mark (colour)'
/ɦʲa/ 'squeeze'

**Ụdachịị**
Ụdachịị dị n'olu Olokoro dị anọ. Abụọ n'ime ha nwere mkpọso, ebe abụọ ndị ọzọ enweghi mkpọso. Ụdachịị ndị nke na-enweghi mkpọso bụ: /ʧ ʤ/. Ụdachịị ndị nke nwere mkpọso bụ: /ʧʲ ʤʷ/.
(i) /ʧ ʤ/: ọgan okwu e ji akpọpụta mkpụrụụda ndị a bụ ihu ire na ngafe anyụrụ. /ʧ/ bụ ụdachịị ngafe anyụrụ enweolu, ebe /ʤ/ bụ ụdachịị egbugbereọnụ na ngafe anyụrụ nnweolu. Ọmụmaatụ ha na mkpụrụokwu:
/ʧe/ 'wait'
/ʤe/ 'go'
(ii) /ʧʰ/ bụ ụdachịị ngafe anyụrụ mkpọso mkpọnuume enweolu. Ọmụmaatụ ya na mkpụrụokwu:

/ʧ$^{h}$ʊ/ ‘sacrifice’
/ʧ$^{h}$ɪ/ ‘slip’
(iii) /ʤ$^{w}$/ bụ ụdachịị ngafe anyụrụ mkpọso mkpọneegbugbereọnụ nnweolu. Ọmụmaatụ ya na mkpụrụokwu:
/ʤ$^{w}$ɔ/ ‘ask’
/ʤ$^{w}$o/ ‘filled’

**Ụdalịị**
Ụdalịị bụ naanị otu ka ọ dị n’olu Olokoro. Ụdalịị dị n’olu Olokoro bụ /l/.
(i) /l/: ọgan okwu e ji akpọpụta mkpụrụụda a bụ ọnụ ire na anyụrụ. /l/ bụ ụdalịị anyụrụ nnweolu. Ọmụmaatụ ya na mkpụrụokwu:
/lʊ/ ‘marry’
/le/ ‘look’

**Ụdarịị**
Ụdarịị dị n’olu Olokoro dị atọ. Abụọ n’ime ha nwere mkpọso, ebe otu nke ọzọ enweghi mkpọso. Ụdarịị nke n’enweghi mkpọso bụ /r/. Ụdarịị ndị nke nwere mkpọso bụ: /r$^{j}$ r~/.
(i) /r/: ọgan okwu e ji akpọpụta mkpụrụụda a bụ ọnụ ire na anyụrụ. /r/ bụ ụdarịị anyụrụ nnweolu. Ọmụmaatụ ya na mkpụrụokwu:
/re/ ‘sell’
/ru/ ‘reach’
Ụdarịị abụọ ndị nke nwere mkpọso, nwekwara otu ụdịdị mkpọpụta na ebe mkpọpụta dị ka /r/ mana ihe dị iche bụ na, na mkpọpụta /r$^{j}$/, akụkụ ire na-agbali elu gaa metu n’akpo ike nke na ụda ~yịị~ ga na-adapụta, ya ka e ji akpọ ya mkpọso mkpọnaakpo. N’aka nke ọzọ, na mkpọpụta /r~/, ikuku nkuume na-esi ma n’imi ma n’ọnụ na-apụ n’enweghi ihe mgbochi ọbụla nke na mkpụrụụda ga na-ada n’imi n’imi, ya ka e ji akpọ ya mkpọso mkpọnimi. Ya bu na:
(ii) /r$^{j}$/ bụ ụdarịị anyụrụ mkpọso mkpọnaakpo nnweolu. Ọmụmaatụ ya na mkpụrụokwu:
/r$^{j}$e/ ‘eat’
/r$^{j}$a/ ‘think’
(iii) /r~/ bụ ụdarịị anyụrụ mkpọso mkpọnimi nnweolu. Ọmụmaatụ ya na mkpụrụokwu:
/r~e/ ‘burn’
/r~a/ ‘copulate’

**Ụdannọdebe**
Ụdannọdebe dị n’olu Olokoro dị abụọ. Ha bụ: /j/ na /w/.
(i) /j/: ọgan okwu e ji akpọpụta mkpụrụụda a bụ etiti ire na akpo ike. /j/ bụ ụdannọdebe akpo ike nnweolu. Ọmụmaatụ ya na mkpụrụokwu:
/ja/ ‘him/her’
/je/ ‘his/hers’
(ii) /w/: ọgan okwu e ji akpọpụta mkpụrụụda a bụ ọdụ ire na akpo nro, na egbugbereọnụ. /w/ bụ ụdannọdebe egbugbereọnụ na ọdụ akpo nnweolu. Ọmụmaatụ ya na mkpụrụokwu:
/wa/ ‘split’
/we/ ‘they’

**Eserese 2: Chaati Mgbochiume Olu Olokoro**

| EBE MKPỌPỤTA |
|---|

| ỌDỊDỊ MKPỌPỤTA | Egbugbereọnụ | Egbugbere ọnụ na eze | Eze | Anyụrụ | Ngafe Anyụrụ | Akpo ike | Ọdụ akpo | Egbugbereọnụ na ọdọ | Ọdụ akpo na mfụkọ egbugbe | Eko akpịrị |
|---|---|---|---|---|---|---|---|---|---|---|
| **Ụdaike** | p b | | | t d | | | k g | kp gb | kw gw | |
| **Ụdaike mkpọnuume** | $p^h$ $b^h$ | | | $t^h$ $d^h$ | | | $k^h$ $g^h$ | | $kw^h$ $gw^h$ | |
| **Ụdaike mkpọnegbugbereọnụ** | $p^w$ $b^w$ | | | $t^w$ $d^w$ | | | | | | |
| **Ụdaike mkpọnaakpo** | $p^j$ $b^j$ | | | $t^j$ $d^j$ | | | $k^j$ $g^j$ | | | |
| **Mkpọnimi** | M | | | n | | ɲ | ŋ | | ŋw | |
| **Ụdashịị** | | f v | | s z | ʃ ʒ | | ɣ | | | ɦ |
| **Ụdashịị oyiyimkpọnimi** | | f~ v~ | | s~ z~ | ʒ ~ | | | | | ɦ~ |
| **Ụdashịị mkpọnaakpo** | | | | | $ʃ^j$ $ʒ^j$ | | | | | $ɦ^j$ |
| **Ụdachịị** | | | | | ʧ ʤ | | | | | |
| **Ụdachịị mkpọnuume** | | | | | $ʧ^h$ | | | | | |
| **Ụdachịị mkpọnegbugbereọnụ** | | | | | $ʤ^w$ | | | | | |
| **Ụdalịị** | | | | l | | | | | | |
| **Ụdarịị** | | | | r | | | | | | |
| **Ụdarịị mkpọnaakpo** | | | | $r^j$ | | | | | | |
| **Ụdarịị oyiyimkpọnimi** | | | | r~ | | | | | | |
| **Ụdannọdebe** | | | | | | j | | w | | |


## Ụdaume Olu Olokoro

Ụdaume bụ mkpụrụụda ndị ahụ ọ na-abụ a na-akpọpụta ha, anaghị enwe ihe mgbochi ọbụla n'ime ọnụ. Anagbogu na ndị ọzọ (2001) kọwara ụdaume dị ka mkpụrụụda ndị a na-akpọpụta n'enweghi ihe mkpachi n'ọwa akpọmụda. Ha gakwara n'ihu ịkọwa na ikuku si na ngu na-aga were were n'enweghi mgbochi ọbụla mgbe a na-akpọpụta ụdaume. N'ịkọwa maọbụ n'inyocha ụdaume, a na-agbado ụkwụ n'ihe atọ dị mkpa nke bụ: otu ire si dị elu n'ime ọnụ, akụkụ maọbụ mpaghara ire e ji akpọpụta ya, na ọnọdụ egbugbere ọnụ. N'igosi otu ire si dị elu n'ime ọnụ na mkpọpụta ụdaume, Ikekeonwu na ndị ọzọ (1999) kọwara na e nwere nkeji anọ nke bụ: ntachi, ntachi-etiti, oghe-etiti, na oghe. N'ịkọwakwa akụkụ ma ọ bụ mpaghara ire e ji akpọpụta ụdaume, e nwere nkeji atọ nke bụ: ihu, etiti, na azụ. Ọnọdụ egbugbereọnụ nwere nkeji abụọ nke bụ: njasa na okirikiri. Mgbe a na-akpọpụta ụdaume, a na-enwe mma jijiji n'ụdọ mkpọụda nke na-eme ka e nwee ụda mpụta. Nke a na-egosi na ụdaume niile bụcha nnweolu. Ndị nchọcha chọpụtara na ụdaume dị n'olu Olokoro bụ otu ihe ya nke dị n'Igbo Izugbe. Ụdaume ndị a dị asatọ. Ha bụ /a e i ɪ o ɔ u ʊ/. N'ịkọwa ụdaume ndị a, ndị nchọcha gbasoro usoro atọ e si akọwa ụdaume n'izugbe, nke bụ; otu ire si dị elu n'ọnụ, akụkụ ire e ji eme mkpọpụta, na ọnọdụ egbugbere ọnụ. Ya bụ na:

(i) /a/ bụ ụdaume oghe ihu njasa. Na mkpọpụta ụdaume a, ihu ire na-agbada ala, egbugbereọnụ na-ajasa ajasa, ebe akpịrị na-eghe oghe. Ọmụmaatụ ya na mkpụrụokwu:
/aka/ 'hand'
/anya/ 'eyes'
(ii) /e/ bụ ụdaume ntachi-etiti ihu ala-etiti njasa. Na mkpọpụta ụdaume a, ihu ire na-agbadatu ma gatu ihu, egbugbereọnụ na-ajasa ajasa, ebe akpịrị na-atachitu. Ọmụmaatụ ya na mkpụrụokwu:

/elu/ ‘up’
/ewu/ ‘goat’
(iii) /i/ bụ ụdaume ntachi ihu elu njasa. Na mkpọpụta ụdaume a, ihu ire na-agbago elu, egbugbereọnụ na-ajasa ajasa, ebe akpịrị na-atachi atachi. Ọmụmaatụ ya na mkpụrụokwu:
/ire/ ‘tongue’
/ime/ ‘pregnancy’
(iv) /ɪ/ bụ ụdaume ntachi-etiti ihu elu-etiti njasa. Na mkpọpụta ụdaume a, ihu ire na-agbagotu nke nta, egbugbereọnụ na-ajasa ajasa, ebe akpịrị na-atachu atachi. Ọmụmaatụ ya na mkpụrụokwu:
/ɪgʊ̄/ ‘to read’
/ɪkʊ̄/ ‘to beat’
(v) /o/ bụ ụdaume ntachi-etiti azụ ala-etiti okirikiri. Na mkpọpụta ụdaume a, ihu ire na-agbadatu ala ma gatu ihu, egbugbereọnụ na-adị okirikiri, ebe akpịrị na-atachitu. Ọmụmaatụ ya na mkpụrụokwu:
/oche/ ‘chair’
/oke/ ‘male’
(vi) /ɔ/ bụ ụdaume oghe azụ ala okirikiri. Na mkpọpụta ụdaume a, azụ ire na-agbada ala, egbugbereọnụ na-adị okirikiri, ebe akpịrị na-eghe oghe. Ọmụmaatụ ya na mkpụrụokwu:
/ɔnʊ/ ‘mouth’
/ɔrʊ/ ‘work’
(vii) /u/ bụ ụdaume ntachi azụ elu okirikiri. Na mkpọpụta ụdaume, azụ ire na-agbago elu, egbugbereọnụ na-adị okirikiri, ebe akpịrị na-atachi atachi. Ọmụmaatụ ya na mkpụrụokwu:
/ubè/ ‘spear’
/uʧè/ ‘mind’
(viii) /ʊ/ bụ ụdaume ntachi-etiti azụ elu-etiti okirikiri. Na mkpọpụta ụdaume a, azụ ire na-agbagotu elu nke nta, egbugbereọnụ na-adị okirikiri, ebe akpịrị na-atachitu atachi. Ọmụmaatụ ya na mkpụrụokwu:
/ʊlɔ̀/ ‘house’
/ʊzɔ́/ ‘road’

**Eserese 3: Chaatị Ụdaume Igbo**




**Nnọnabarịị n’olu Olokoro**

Nnọnabarịị bụ otu usoro ọdịdị ụda pụtara ihe nke ọma n’olu Olokoro. Bittner (2013) kọwara nnọnabarịị dịka ọnọdụ ebe mkpụrụụda abụọ maọbụ karịa na-abata n’otu ọnọdụ ghara ibute mgbanwe na nghọta nye ndị na-asụ ya bụ asụsụ. Ndị nchọcha chọpụtara na olu Olokoro nwere mkpụrụụda ndị eyighi onwe ha, mana ha na-abata n’otu ebe ma ghara ibute mgbanwe na nghọta mkpụrụokwu ndị ha batara na ya. Mkpụrụụda ndị na-anọ n’ọnọdụ nnọnabarịị n’olu Olokoro bụ: ụdaimi anyụrụ na ụdalịị anyụrụ nnweolu /n l/, ụdaume ntachi-etiti azụ elu-etiti okirikiri na ụdaume ntachi-etiti ihu elu-etiti njasa /ʊ ɪ/, ụdaimi egbugbereọnụ na ụdaume oghe ihu ala njasa /m a/, ụdannọdebe egbugbereọnụ na ọdụ akpo nnweolu na ụda shịị ọdụ akpo nnweolu/w ɣ/, ụdaume ntachi-etiti ihu ala-etiti njasa na ụdaume ntachi-etiti azụ ala-

etiti okirikiri /e o/, na ụdaike ọdụ akpo nnweolu na ụdashịị ọdụ akpo nnweolu /g ɣ/. Ụfọdụ mkpụrụokwu ebe mkpụrụụda ndị a na-anọ n'ọnọdụ nnọnabarịị n'olu Olokoro bụ:

**Tebulu 1: Nnọnabarịị n'olu Olokoro**

| | Olu Olokoro | Igbo Izugbe |
|---|---|---|
| 1(a) | /n̠à/<br>/l̠à/ | /nà/ |
| (b) | /i mēn̠ē/<br>/i mēl̠ē/ | /i mēlā/ |
| 2(a) | /madʊ̠/<br>/madɪ̠/ | /mmadʊ/ |
| (b) | /akpʊ̠̀/<br>/akpɪ̠/ | /ike/ |
| 3(a) | /m̠pɪampɪa/<br>/a̠pɪampɪa/ | /ʊtàlɪ/ |
| (b) | /m̠māmā/<br>/a̠māmā/ | /ndeewo/ |
| 4(a) | /ew̠u/<br>/eɣu/ | /ewu/ |
| (b) | /àw̠ʊ/<br>/àɣʊ/ | àsa (àhʊ) |
| 5(a) | /wè̠ru/<br>/wò̠ru/ | /wère/ |
| (b) | /ŋwe̠/<br>/ŋwo̠/ | /ŋwe/ |
| 6(a) | /ɔdʊg̠ʊ̠/<br>/ɔdʊɣʊ/ | /ọ̀ dịghị̀/ |
| (b) | /àgbàg̠à/<br>/àgbàɣà/ | /akpʊkpɔ ʊkwʊ/ |

**Olulo n'olu Olokoro**

Olulo ka e nwere ike ịkọwa dị ka mgbanwe na-abata mgbe otu mkpụrụụda metụtara mkpụrụụda ma gbanwe mkpụrụụda ahụ ka ọ kpawazie agwa ka ya. Mbah na Mbah (2010) kọwara na olulo bụ usoro ọdịdị ụda a na-ahụta mgbe a na-akpọpụta okwu ọsịịsọ, ebe mkpụrụụda ndị nọdebere onwe ha na-enwe ụdị mmetụta nke na ha ga-akpawa otu ụdị agwa.Olulo na-agbanwe ọdịdị mkpụrụụda. Oge ụfọdụ, mkpụrụụda na-eme ka mkpụrụụda ọzọ gbanwee, ma mee ka o were otu ebe mkpọpụta dị ka ya nke ga-enyere okwuu aka n'ikwu okwu werewere. Otu ụzọ e si egosipụta olulo bụ site n'otu olulo si gaa ma bute mgbanwe. Ya bụ n'ịgbado ụkwụ na nke a, ndị nchọcha chọpụtara na e nwere ụzọ olulo abụọ n'olu Olokoro, nke bụ:

(i) Olulo ihu

(ii) Olulo azụ

**Olulo ihu**

Olulo ihu bụ ụdị olulo nke na-adị mgbe mkpụrụụda nke nọ n'azụ gara loo mkpụrụụda nke nọ ya n'ihu. E nwekara ike ịkọwa dị ka mgbe mkpụrụụda nọ n'aka ekpe (A) gara loo mkpụrụụda nke nọ n'aka nri (B), ya bụ (A → B). Nkọwa a gosipụtara na ọ bụ mkpụrụụda nọ n'aka ekpe ga-elo ma gbanwe mkpụrụụda nke nọ n'aka nri, mee ka o buru akparamagwa ya n'ọdịdị nakwa n'ebe mkpọpụta ya. Olulo ihu pụtara ihe nke ọma n'olu Olokoro, ọ kacha adị ire na mkpụrụokwu nrụaka. Ọmụmaatụ:

**Tebulu 2: Olulo ihu n'olu Olokoro**

| Olu Olokoro | Igbo Izugbe |
|---|---|
| ǹke → à = ǹke è | nke a |
| òfe → à = òfe è | ebe a |
| nde → à = nde è | ndị a |
| ụ̀dị → à = ụ̀dị ị̀ | ụdị a |

| | |
|---|---|
| ife → à = ife è | ihe a |

N'ọmụmaatụ ndị a, mkpụrụụda ndị nọ na ngwụcha mkpụrụokwu ndị nọ n'aka ekpe gara loo nrụaka ndị nọ n'aka nri, mee ka ha dịrị ka ha na mkpọpụta ma n'akparamagwa.

**Olulo azụ**

Olulo azụ bụ ụdị olilo na-apụta ihe mgbe mkpụrụụda nke nọ n'ihu laghachiri azụ gaa loo mkpụrụụda nke nọ ya n'azụ. E nwekara ike ịkọwa ya dịka mgbe mkpụrụụda nọ n'aka nri (B) gara loo mkpụrụụda nke nọ n'aka ekpe (A), ya bụ (A ← B). Nkọwa a gosipụtara na ọ bụ mkpụrụụda nọ n'aka nri ga-alahachi azụ loo ma gbanwe mkpụrụụda nke nọ n'aka ekpe, mee ka o buru akparamagwa ya n'ọdịdị nakwa n'ebe mkpọpụta ya. Olulo azụ pụtara ihe nke ọma n'olu Olokoro, ọ na-abata na mkpụrụokwu nrụaka nakwa n'okwu ndị ọzọ.. Ọmụmaatụ:

**Tebulu 3: Olulo azụ n'olu Olokoro 1**

| Olu Olokoro | Igbo Izugbe |
|---|---|
| ǹke← ọ̀ = ǹkọ ọ̀ | nke ahụ |
| nde← ọ̀ = ndọ ọ̀ | ndị ahụ |
| ǹga← ọ̀ = ǹgọ ọ̀ | ebe ahụ |
| Ife← ọ̀ = ifọ ọ̀ | ihe ahụ |
| Òfe← ọ̀ = òfọ ọ̀ | ebe ahụ |

N'ọmụmaatụ nke a, nrụaka 'ọ' nke bụ otu mkpụrụụda, nọ n'aka nri laghachiri azụ gaa loo mkpụrụụda ikpeazụ dị na mkpụrụokwu ndị nọ n'aka ekpe, ma mee ka nwee otu ụda, otu ụdị mkpọpụta na otu ụdị akparamagwa.

Ọmụma atụ olilo azụ na mkpụrụokwu ndị ọzọ:

**Tebulu 4: Olulo azụ n'olu Olokoro 2**

| **Olu Olokoro** | **Igbo Izugbe** |
|---|---|
| /ʊlɔ̀← ahɪa/ = /ʊla ahɪā/ | /ʊlɔ ahɪa/ |
| /ɔba← edè/ = /ɔbe edè/ | /ɔba ede/ |
| /eku← igwè/ = /eki igwè/ | /eku igwe/ |
| /ihi← èʒi/ = /ihe eʒī/ | /mbara ezi/ |
| /ʧìà← maka/ = /ʧa amākā/ | /ʧiamaka/ |

N'ọmụmaatụ ndị a, mkpụrụokwu abụọ dị iche iche makọrọ ọnụ bụrụ otu mkpụrụokwu otu mkpụrụokwu nke a na-akpọ mkpụrụokwu ukwu, ya mere e ji nwee mkpụrụokwu ndị nọ n'aka ekpe na mkpụrụ okwu ndị nọ n'aka nri. Mkpụrụụda ndị bidoro mkpụrụokwu ndị nke nọ n'aka nri laghachiri azụ gaa loo mkpụrụụda ndị nọ na ngwụcha mkpụrụokwu ndị nke nọ n'aka ekpe, nke mere ka ha gbanwe ma werezie otu ọdịdị mkpọpụta, ebe mkpọpụta nakwa akparamagwa mkpụrụụda ndị nọ n'aka nri.

**Nchịkọta na Mmechi**

Nchọcha a nke gbadoro ụkwụ n'ọdịdịụda olu Olokoro ekpugheele ihe ndị a na-amabughị gbasara olu Olokoro nke bụ otu n'ime olundị dị n'asụsụ Igbo. Site na nchọcha a, ndị nchọcha mere ka a mata ọdịdị nakwa ka usoro ụda olu Olokoro si aga. Nchọcha a chọpụtara na e nwere mkpụrụụda iri isii na itoolu n'olu Olokoro. N'ime mkpụrụụda iri isii na itoolu a dị n'olu Olokoro, iri isii na otu bụ mgbochiume, ebe asatọ ndị ọzọ bụ ụdaume. Nchọcha a chọpụtakwara na usoro mkpụrụụda olu Olokoro pụrụ iche. E nwere ụdashịị ngafe anyụrụ, mkpọso dịka mkpọso mkpọnuume, mkpọso mkpọnaakpo, mkpọso mkpọneegbugbereọnụ, na mkpọso mkpọnịmi dịcha n'olu Olokoro. Nnọnabarịị nke bụ ọnọdụ ebe mkpụrụụda abụọ eyighi onwe ha nwere ike ịbịa n'otu ọnọdụ na mkpụrụokwu ghara ibute ndịiche na nghọta, pụtara ihe nke ọma n'olu Olokoro. Nchọcha a gosipụtakwara na ụdị olulo a na-ahụta n'olu Olokoro dị abụọ; olulo ihu na olulo azụ.

Asụsụ ọbụla nwere asụsụ Izugbe na olundị ekwesighi ka e leghara olundị dị na ya anya. Ya bụ kama ije n'asụsụ ọzọ bite mkpụrụokwu tinye n'asụsụ Izugbe, ọ ka mma na e nyomiri anya n'olundị dị n'asụsụ ahụ, site na ha weta mkpụrụokwu tinye n'asụsụ Izugbe. Nchọcha a egosipụtala ọdịdịụda olu Olokoro site n'inyocha ma wepụta mkpụrụụda ya na usoro mkpụrụụda ya. Site na nke a, a hụtara ụfọdụ mkpụrụụda ndị dị n'olu Olokoro ndị adịghị n'Igbo Izugbe ma bụrụ ndị ọ ga-abụ e tinye n'Igbo Izugbe, e nwee mbawanye mkpụrụụda nke ga-ebute mbawanye mkpụrụokwu; site n'ụzọ dị otu a, asụsụ Igbo ana-eto. Nchọcha a gosipụtakwara otu mkpụrụụda ndị a na-ahụta n'olu Olokoro si abata na mkpụrụokwu na otu e si akpọpụta mkpụrụokwu dị iche iche n'olu Olokoro nke ga-enyere onye nwere mmasị n'olundị a aka ịkpọpụta n'enweghị nhịahụ.

Ndị nchọcha bu n'obi na nchọcha a ga-abụ ebe mgbado ụkwụ nye ndị ga-achọ ịga n'ihu ịchọpụta ihe ndị ọzọ dị iche iche gbasara olu Olokoro. Nchọcha a ga-abụ ihe enyemaka, ihe nlereanya na ihe nrụaka, nye ndị ga-achọ ime nchọcha n'amụmamụ ọdịdịụda n'olundị nakwa asụsụ ndị ọzọ dị iche iche.

**Edensibịa**


Agbedo, C. U. (2000). *General linguistics: An introductory reader.* Nsukka: ACE Resources Konsult.

Anagbogu, P.N., Mbah, B. M., & Eme, C. A. (2001). *Introduction to linguistics.* Awka: J.F.C

Anozie, C.C. (1999). *Lingwistiiki Sayensi Asusu.* Nsukka: Fulladu.

Bittner, M. A. (2013). *Distinctive features, complimentary distribution & free variation.* Nke a natara na Novemba 12, 2022, site na www.academia.edu/5330545/Distictive-Features-Complimentary -Ditribution-Free-Variation.

Edoh, M. U. (2015). *Olokoro-Uvuoma, our father land.* Umuahia: Alozie Ukaegbu & Sons.

Emenanjo, E. N. (1987). *Elements of modern Igbo grammar*. Ibadan: University Press.

Emenanjo, E. N. (2010). *Fọnọlọjị na mọfọlọjị n'Igbo.* Onitsha: Varsity Press.

Ikekeonwu, C.I. (1985). Aspects of Igbo dialectology: A comparative phonological study of Onitsha and Central Igbo dialects. *Journal of West African Languages,* XV, (2), 244-248.

Ikekeonwu, C.I. (2018). Ndepụta na nkọwa mgbochiume nakwa ụdaume Igbo. Akwụkwọ ọmụmụ ihe nke a na-ebipụtaghị ebipụta. Ngalaba Linguistics, Igbo and other Nigerian Languages, University of Nigeria, Nsukka.

Ikekeonwu, C. I., Ezikeojiaku, P. A., Ubani, A., & Ugoji, J. (1999). *Fọnọlọjị na grama Igbo.* Ibadan: University Press.

Mbah, B.M. & Mbah, E. E. (2010). *Topics in phonetics and phonology: Contributions from Igbo.* Nsukka: AP Express Publishers.

Nwala, M.A. (2015). *Introduction to linguistics: A first course (2nd ed.)*. Abakaliki: Wisdom.

Nwankwegu, J. A. (2008). Linguistics: The science of language II. Akwụkwọ ọmụmụ ihe nke a na-ebipụtaghị ebipụta. Ngalaba Linguistics and Literary Studies, Ebonyi State University, Abakaliki.

Nwaozuzu, G.I. (2017). *Dialects of Igbo Language.* Nsukka: University of Nigeria Press.

Robins, R.H. (1992). *General linguistics: An introductory survey.* London: Longman

Ugwuona, C.N. (2015). *Ntọala na isiokwu ụfọdụ na fọnọlọjị Igbo*. Nsukka: University of Nigeria Press.

Williamson, K. (1984). *Practical orthography in Nigeria.* Ibadan: Heinemann Educational Books.